# Oke Ọchịchọ na Nsogbu Ya: Nzipụta Ya n'Iduuazị na Ejije Ndị A Họọrọ

**Ani, Nnamdi**
Nwata Akwụkwọ (PG)
Ngalaba Agụmagụ Ederede Igbo
Na Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka.
na
**Ọka Nkuzi Nkechinyere Nwokoye**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka.

**Ụmị Edemede**
Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'oke ọchịchọ na nsogbu ya na ndụ ndị Igbo dị ka e si zipụta ya n'iduuazị na ejije ederede Igbo ndị a họọrọ. Oke ọchịchọ abụrụla otu ihe a na-ahụ n'ala Igbo n'oge a n'ihi na ihe ụfọdụ mmadụ nwere anaghịzi ezuru ha ebe ụfọdụ chọrọ ego mbute. Ụfọdụ banyere otu nzuzo, ụfọdụ zuwe ohi, tọwa mmadụ iji kpata ego, ụfọdụ napụwa nwanne ha ihe o nwere n'ihi anya ukwu. Nke a na-eweta ọtụtụ nsogbu. Ọnọdụ oke ọchịchọ na ndụ ndị Igbo n'oge a, akpalitela ndị odee iduuazị na ejije Igbo, igosịpụta ọtụtụ nsogbu dị iche iche dị n'inwe oke ọchịchọ. Nke a kpalitere mmụọ nwa nchọcha n'ileba anya n'*Ọkụ Ghara Ite* na *Ụkpana Ntị Ike*, iji zipụtara ọhanaeze ọtụtụ nsogbu na-esi n'inwe oke ọchịchọ apụta. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ nghọta ọgụụ wee tụchaa akwụkwọ iduuazị na ejije ederede ndị a họọrọ. Ọ gbasoro usoro nkọwasị wee zipụtachaa nsogbu ndị ahụ dị ka ha pụtachara ihe n'iduuazị na ejije ndị ahụ. Nchọcha a chọpụtara na a na-esite n'inwe oke ọchịchọ kwafuo ọbara ọtụtụ mmadụ, tinyere ọtụtụ nsogbu ndi ọzọ. Ọ ga-abara ndị mmadụ uru, maka na onye na-enwe oke ọchịchọ, ga-esite na nsogbu ndị ahụ e depụtara, gbaso inwe afọ ojuju n'ihe o nwere. Nwanchọcha na-atụnye aro ka ndị Igbo na-enwe afọ ojuju n'ihe ha nwere karịa ịtajiri mmadụ anya. Ọ ga-akpalite mmụọ ndị ọgụụ n'ebe iduuazị na ejije ederede Igbo dị.
**Ọkpụrụkpụ Okwu**: Oke Ọchịchọ, Nsogbu, Nzipụta, Iduuazị, Ejije

## Mmalite

Agụmagụ ederede bụ echiche mmadụ chepụtara banyere otu ihe ma detuo ya n'akwụkwọ nke onye ọbụla ọ masịrị ga-ewere gụọ. Onyekaọnwụ (1988:3) na nkuzi ya kọwara agụmagụ dị ka ihe ndị ahụ e chepụtara echepụta gbasara ndụ n'ime ụwa nke anyị na-ahụ anya na nke anyị anaghị ahụ anya. Ọ bụkwa nke e ji asụsụ n'ụzọ ekwumekwu, ederede na mmegharị ahụ wee zipụta n'ụdị akụkọ, ejije maọbụ abụ. Ọ bụkwa nke e ji asụsụ nka chọọ mma n'ụzọ pụrụ iche dịka o si masị onye odee. Nwadike (1990:11) nyere nkọwa agụmagụ n'ụzọ abụọ. Otu bụ agụmagụ izugbe ebe nke ọzọ bụ agụmagụ nka. Agụmagụ izugbe bụ ihe ọbụla dị n'ụdị ederede dị ka ihe ọmụmụ dị iche iche. Agụmagụ nka ka Nwadike kọwara dị ka ihe e chepụtara echepụta nke e ji nka okwu na atụmatụ agụmagụ dị iche iche wee chọọ mma. Ọ kọwakwara na agụmagụ nka na-agbadokarị ụkwụ na ndụ. Ọ bụkwa site na nke a ka ndị ọkọ akụkọ maọbụ ndị odee si ezipụta ha gbasara ihe ọbụla na-eme na gburugburu ha.

Agụmagụ bụ ụzọ pụrụ iche ọtụtụ ndị odee si ezipụta ihe na-eme n'ụwa. Okoh (2008:11) kọwara agụmagụ dị ka ihe nwere ike ịgbaziri anyị, mee ka anyị nwee mmụta gbasara ụwa na ihe ndị na-eme nay a. Site na nke a, e nwere ike kwuo na agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ihe na-eme na ndụ nakwa n'ụwa a anyị nọ n'ime ya. Agụmagụ bụ ihe gbasara mmadụ na gburugburu ya. Ọ na-enyocha etu mmadụ na ihe ndị dị na gburugburu ya si emekọrịta. Ọ na-eleba anya n'ezi akparamaagwa na nsogbu na-apụta n'ajọ akparamaagwa ọbụla. Ọ na-ezipụta uru dị n'ime ezi ihe nakwa ọghọm nwere ike ịdapụta n'ajọ ihe mana isi sekpụ ntị n'agụmagụ bụ isite na ya mụta ihe ma nwee mgbanwe akparamaagwa. Nwokoye (2019:12) kwuru na agụmagụ bụ ihe e ji akọwa maka ndụ na ihe na-ekwuru ndị n'oge nke ha. Nke a pụtara na ọtụtụ ndị odee na-esite n'agụmagụ ha zipụta ọnọdụ dị iche iche ndị mmadụ nọ na ya nke ha na-eto maọbụ akatọ ọnọdụ ahụ. Duru (2014:1) hụtara agụmagụ dị ka ụzọ ndị ode si ezipụta ihe na-eme n'ụwa. Ọ bụkwa ihe niile gbasara ebimndụ nke ndị mmadụ na-esi na ya enweta mmụta na ọbị aṅụrị. Obichukwu (2009:12) kọwara agụmagụ dị ka ihe niile sitere n'echiche mmadụ nke e kwuru ekwu maọbụ nke e dere ede, bụ nke na-enye aka izipụta ndụ na omenaala ndị. Ọ na-esite n'ihe ndị merela eme ruo n'ihe ndị na-eme wee banye n'ihe ndị ga-eme n'ihu. Nke a gosiri na agụmagụ na-emetụta ihe niile gbasara ndụ mmadụ. Akporobaro (2012:2) hụtara agụmagụ dị ka akọmakọ nke a na-esite n'agwa na mmewere agwa ndị dị n'akụkọ ahụ were ezipụta ihe dị iche iche ndị mmadụ na-agabiga na ndụ. Ihe nke a pụtara bụ na ndị odee agụmagụ na-esite n'agwa ndị ha ji zipụta akụkọ ha were agba n'anwụ ihe dị iche iche na-eme n'ụwa a anyị nọ n'ime ya. Ọ bụkwa ihe e ji anọrị oge ma bụrụ ihe na-agbaziri mmadụ ụzọ. Duru (2014:2) kwadoro okwu a oge oge ọ kọwara agụmagụ dị ka ihe na-enye aka ime ndị mmadụ obi ụtọ ma na-eme ka ha nọrọ n'obi aṅụrị. Nke a mere Anaekeokwu (1998:11) ji chịkọta okwu mgbe o kwuru na agụmagụ na-achịkwa ezi obibi ndụ n'obodo site n'ịhazi akparamaagwa. Ogene (2010:2) hụtara agụmagụ dị ka ihe sitere n'ọchịchọ obi mmadụ maka ịkọ akụkọ, ịhazi akụkọ ahụ n'ezi usoro na izipụta ọnọdụ pụrụ iche mmadụ gabigara na ndụ site n'asụsụ. Nke a na-akọwa na agụmagụ bụ ihe e ji asụsụ ezipụta. Nwadike

(1992:12) kọwara agụmagụ dịka ọrụ nka nke sitere n'echiche mmadụ pụta ma bụrụ nke e ji egosipụta ndụ. Nke a mere ka a mata agụmagụ dị ka otu ụzọ kachasị e si ezipụta ihe na-eme na gburugburu mmadụ. Ọrụchalu (1999:33) kọwara na agụmagụ na-arụ nnukwu ọrụ pụrụ iche n'ịkwalite mmepe obodo. Nke a gosiri na site n'agụmagụ, odee nwere ike ịgbanwe akparamaagwa ndị mmadụ banyere otu ihe ha na-akatọ.

Ọtụtụ ndị odee akwụkwọ Igbo esitela n'iji nka pụrụ iche e ji edepụta ọtụtụ ihe n'akwụkwọ agụmagụ Igbo gbaa ọtụtụ ihe ọjọọ n'anwụ. Ihe ọjọọ ndị dị ka: mmegbu na mmegide na-adị n'etiti mmadụ na ibe ya, ndị enweghị ihe ịzọ ihe abụghị nke ha, ịtọrọ mmadụ, igbu mmadụ, izu ohi, ịgwọ ọgwụ ọjọọ megide mmadụ, oke ọchịchọ nakwa ihe ọjọọ ndi ọzọ. Nke a mere ndị Igbo na-asị ka oyi akwa asa ahụ kpachara anya, Onye kpara nkụ ahụhụ sịrị ngwere bịara ya ọrịrị, ọ dị mma iwepụ aka enwe n'ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ, dgz.

Ndị odee akwụkwọ Igbo oge ugbu a, na-agbadokarị ụkwụ n'ihe na-eme na ndụ ndị Igbo were na-ede akwụkwọ ha. N'ọtụtụ akwụkwọ agụmagụ ederede ndị odee derela, e zipụtara na ndi mmadụ na-enwe oke ọchịchọ, tụmadị n'ihe mmadụ nwere. Ọ na-emekwa ka ndị mmadụ nwee ihe ọdachi na ihe ịgba anya mmiri na gburu gburu ha. Nke a pụtara na gburu gburu mmadụ jupụtara n'ihe ndọkasị ahụ. Alagoa (2001:5), mere ka a mata na site n'ihe dị mmadụ n'ime, mmadụ jupụtara na ndọrọndọrọ na mgbakasị ahụ, nke na-eme ka ha na-enwe nghọtahie n'etiti onwe ha. Nke a gosịrị na mmadụ inwe oke ọchịchọ bụ ihe dị na ndụ ọtụtụ ndị mmadụ.

Oke ọchịchọ bụ mgbe mmadụ chere na ụzọ onye ọzọ si eme ihe ka nke ya mma. Ọ bụ mgbe mmadụ ji naanị maka ihe ụtọ nke ụwa chọwa akụnaụba na-akwụbaghị aka ya ọtọ. Ọ bụkwa mgbe mmadụ enweghịzi afọ ojuju n'ụzọ dị mma ọ gbasoro eme ihe, o wee chee na ụzọ ọzọ adịghị mma kacha mma. Ọ na-apụtakwa ihe mgbe mmadụ chere na mkpụrụ ya kụrụ na-egbu oge ịmịta o wee chọọ inweta urụ n'otu ntabị anya. Ọ na-apụtakwa ihe mgbe mmadụ bidoro chewe na ya ekwesịla ịkarị ogoogo ọ nọ na ya tụmadị mgbe o kwuru na ndị nọ n'ogoogo ahụ ọ na-achọ ịnọ na ya bụ mmadụ nwere otu isi dị ka ya nwere na-amaghị na ihe niile nwere oge. Oke ọchịchọ na-adịkwa mgbe mmadụ hapụrụ iji nwayọọ achụ akụnaụba ma chọọ ibute ego n'ike. Ọ na-adịkwa mgbe mmadụ hapụrụ inwe ndidi, wedaa onwe ya ala rụọ ọrụ dị mma maọbụ gbaa odibo, chọwa ọ chara gbute ọ chaghị gbute. Oke ọchịchọ bụkwa mgbe mmadụ enweghị aka ọrụ maọbụ ahịa ọ na-azụ chọrọ ịbụ aka ji akụ na ntụmadị n'ihi na nwanne ya maọbụ enyi ya bụ aka ji akụ. A na-ahụtakwa oke ọchịchọ mgbe mmadụ hapụrụ oke ruru ya jiri ngwa agha ọbụla chọwa nke onye ọzọ. Ya bụ, mgbe mmadụ ji egbe, mma maọbụ daga, nsi na ihe ndị ọzọ napụ mmadụ ndụ ya n'ike iji nweta ihe onye ahụ nwere. Oke ọchịchọ na-adị mgbe mmadụ na-achọ ọdịmma naanị ya ịkpabọba akụnaụba n'ụzọ aghụghọ.

Oke ọchịchọ na-adị mgbe mmadụ abụọ maọbụ karia kere ihe ka o kwesịrị, otu onye n'ime ha echee na oke nke nwanne ya ketere ekwesịghị iru otu ahụ. Nke a ga-eme ka ha nwee ndọrọndọrọ banyere ike oke. Ya bụ, otu onye n'ime ha a na-eche na a ghọgburu ya n'oke ahụ. Nke a ga-eme ka ọ chọọ ụzọ ịnara nke onye ọzọ n'ike na-enweghị onye ga-ajụ ese oke ahụ. Ọ na-adịkwa mgbe mmadụ nwere anya ụfụ n'ihe nwanne ya nke ọ ga-achọ ụzọ iwepụ ndụ onye ahụ ka o nwere ihe onye ahụ. Okeke (2015:45) kọwara oke ọchịchọ dị ka inwe mmasị n'ebe ihe enwemenwe dị, dị ka akụnaụba, egọ na ike. Ọ kọwakwara ya dị ka mmadụ ị na-achọ ka ọ na-enwe ihe mgbe ọbụla ọ chọrọ ya. Ọ bụkwa mmadụ ịkpa agwa ọbụla masịrị ya iji nweta ihe ọ chọrọ. Nke a gosịrị na oke ọchịchọ bụ ihe a na-ahụkarị n'ihe gbasara inweta akụnaụba. Ọ bụ ihe jupụtara n'obodo ụfọdụ maka na ụfọdụ na-achọ ka ọ baara naanị ha ma bụrụkwa ajọ ihe di n'ime mmadụ nke na-eme ya ka ọ na-achọ inweta ọtụtụ ihe tụmadị nke ekwesịghị n'ihi anyaukwu.

Dịka e nwere ọtụtụ atụtụ ọhụụ ugbu a e wepụtara maka nnyocha agụmagụ, atụtụ e ji atụle nchọcha a bụ atụtụ nghọta ọgụụ (Readers Response Criticism). Atụtụ nghọta ọgụụ na-egosipụta mkpa ọ dị ọgụụ ịtapịa echiche dị n'akwụkwọ agụmagụ ọ gụrụ. Atụtụ a na-ekwu na agụmagụ abụghị naanị ihe osise e sere n'akwụkwọ, kama ọ bụ ihe na-ezipụta ebumnobi odee nakwa ihe ọgụụ ga-agụ iji wepụta nghọta o nwere banyere ihe ọ gụrụ. O metụtara ka ihe ọgụụ gụrụ n'akwụkwọ si metụta ya n'obi. Dịka atụtụ a si kwuo, akwụkwọ agụmagụ enweghị otu mpụtara. Mpụtara ọbụla akwụkwọ agụmagụ ga-enwe, gbadoro ụkwụ na nghọta ọgụụ gụrụ ya nwere banyere ihe ọ gụrụ; nke mere atụtụ a ọpụrụiche, ma bụrụkwa ihe ọgụụ na-adabere. Atụtụ a kwukwara na ọgụụ abụọ gụrụ otu ụdị akwụkwọ anaghị enye akwụkwọ ahụ otu nkọwa. Atụtụ a lebara anya n'ọtụtụ ụzọ ndị ọgụụ si elegara akwụkwọ agụmagụ anya. Atụtụ a zipụtara ajụjụ ndị dị ka: A na-enye otu akwụkwọ ọgụgụ ọtụtụ ndị ọgụụ gụrụ otu mpụtara? O nwere akwụkwọ ọgụgụ ndị ka ibe ha baa uru? Ọ chọkwara azịza nye onye ka ike n'akwụkwọ, onye adịghị ike, onye a ga-emetere ebere n'ihi ihe e mere ya dgz.

Agụmagụ dị ka ihe na-ezipụta ihe na-eme eme, na-ezipụtakwa oke ọchịchọ n'etiti ndị nọ n'otu ebe, na-ezipụtakwa ya maka ịga n'ihu dị ka a na-ahụ ya n'etiti isiagwa na onyeiro isiagwa n'akwụkwọ iduuazị na ejije.
N'iji atụtụ a na-enyocha agụmagụ, o lebara anya ma chọọ azịza nye ajụjụ ndi dị ka: Onye ka ike n'akwụkwọ ahụ, onye adịghị ike, onye a ga-emetere ebere n'ihi ihe e mere ya, ileba akwụkwọ anya nke ọma, mee ka a mata mpụtara akwụkwọ ahụ nwere. Ịtụle ihe mgbakwasa ụkwụ dị n'akwụkwọ agụmagụ ahụ. Ịmata echiche, mpụtara, ihe odee

ka ga-ekwu n'ime akwụkwọ ahụ, ihe abụghị eziokwu odee webatara n'akwụkwọ agụmagụ ahụ na ihe bụ eziokwu. Ịjụ ajụjụ mata ma ihe odee dere bụ eziokwu nakwa ịmata ma agwa megasịrị ihe n'akwụkwọ ahụ bụ ihe a ga-adabere. Ịtụlekọrịta echiche odee dere n'akwụkwọ agụmagụ ahụ na ihe ọgụụ mabuuru na nke ya. Ịchịkọta ihe niile odee dere n'akwụkwọ ahụ ọnụ, ma nwezie mkpebi maka akwụkwọ agụmagụ ahụ. Ịmata ogoogo ihe e dere n'akwụkwọ ahụ mezuru ebumnuche nghọta ọgụụ chọrọ inweta. Atụtụ a kwenyere na mpụtara dị n'akwụkwọ agụmagụ, mana, ọ bụ naanị nghọta ọgụụ nakwa ndị ntụcha agụmagụ nwere ike iwepụta mpụtara ndị ahụ.
Site n'ihe ndi a, a ga-elebazi anya n'akwụkwọ *Ụkpana Ntị Ike* nke Obodo na *Ọkụ Ghara Ite* nke Onyekaọnwụ.

**Nzipụta Oke Ọchịchọ n'*Ọkụ Ghara Ite***
**Mmadụ enweghị afọ ojuju n'ihe o nwere**
Mgbe mmadụ enweghị afọ ojuju n'ihe o nwere, o nwere ike na-eche na ụwa ya ka njọ tụmadị mgbe ọ na-ahụ ndị mmadụ ihe na-agara nke ọma. Ihe ndị ahụ ọ na-ahụ na-agara ndị mmadụ nke ọma ga na-ewute ya nke ukwuu. Ọ ga-adị ya ka ụwa nke ya dị iche. Ọ ga-ebido na-enwe ụra aga n'anya nke ga-eme ka ọtụtụ echiche na-abata ya n'ime. O nweghị echiche ime ihe dị mma ga-abata ya n'uche ma ọ bụghị naanị echiche ime ihe ọjọọ nke ga-eme ka ọnọdụ ya gbanwee. Ọ bụ oge a ka ajọ enyi na-enwe ohere ịbata rụọ ọrụ ọjọọ ya na ndụ onye ahụ nke bụ inye ya ajọ ndụmọdụ. Onye a na-enye ndụmọdụ ahụ agaghị ajụ igere n'ihi na ọ dịla ka nkịta ihe ụwa juru anya. Mgbe ihe dị otu a mere, onye enweghị afọ ojuju n'ihe o nwere ga-achọwazi ụzọ ọbụla ọ ga-esi nweta akụnaụba ntụmadị; n'oge ahụ, o nwere ike butezie oke ọchịchọ. A hụtara nke a n'akparamaagwa Ụkpaabị kpara n'akwụkwọ ejije *Ọkụ Ghara Ite* mgbe ọ na-ebe akwa arịrị sị na ụwa ya kacha njọ. Kama ọ ga-ewere ụwa ya ka o siri hụ ya ma nwee nchekwube na echi ga-aka mma, o kpebie ịchọ ya n'ụzọ na-ekwesighị. Nke a bụ maka na Ụkpaabị enweghị afọ ojuju n'ihe o nwere. A hụtara nke a mgbe Ụkpaabị tetara ụra sị:

> *Hum! chi efo. O fokwala ọzọ; o fokwala! Nke fopụta, ọ dị ka ibe ya. Chi ofufo na-efotara ibe m mma; mana mụ onwe m, o fogbuola m. O fogọọla m ihu; o fopịala m afọ, o foliwala m otule, o fojasịala m. Bịanụ lee m; leenụ akwara dịcha m n'ahụ ka ha dịcha ka ụdọ mmọnwụ ịga. Anya m wee dalachaa n'ime ka nke nwa enwe afọ sabọrọ chi. Leenụ ka afọ m siri dọlichaa, takpachaa, mee udebere ka nke nwa kwashịọọkọ. Chei, mmiri amaa ehi n'anya! Ọ bụzikwa mụ bụ Ideejuogwugwu, gaa gaa n'ogwu, ka ihe ụwa jidere na-ahọpịa otu a ka anụ udele rifọrọ. Ọ bụ chi na ụwa m ka m na-akwa, ụwa m ebiela m aka ọjọọ. (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ nke iri).*

Okwu mwute a sị Ụkpaabị n'ọnụ pụta n'isi ụtụtụ ahụ gosịrị na ike ụwa agwụla ya nke ukwuu. Akwa arịrị ya gafere ntị mmadụ baa na ntị ụmụ agbara. Ka ụmụ agbara atọ chọpụtara na obi adịghị Ụkpaabị mma tinyere ike ọnọdụ ụwa gwụrụ ya, ha bịara kwụrụ n'akụkụ ụlọ ya, na-eleghari anya n'oke ụjọ nke na-ezipụta na nnukwu ihe egwu dị, ha na-ekwu, sị:

> *Nke a ọ bụghị a na-eri ma afọ ejughị? Ka ọ bụ ka e rie taa nwụọ echi? Ma o bụ ka e rie dachie ụzọ? Ma a sịrịnụ na kama tabiri hakowe eze, ya nọrọ n'ọkụ jụọ oyi. Kama richaa dachie ụzọ ka e buru ọnụ. Onye nọrọ ebe ọ nọ, ebe ọ na-anọghị a na-agụ ya. Ma nwa atụrụ na-achọ ipu mpi, ọ makwaara na ekwo ga-adị ya arọ? Onye chọwakwu, ya hụ, ma mgbe ọ hụrụ, ya agbakwala ọsọ. Ụmụnne m, ọnụ na-ekwu ekwu dịkwanụ, ọ bụ ntị ga-ege ege. Tụfịa!, azị gbakwa mgbọrọgwụ. Anyị ekwupurụla ihe a na-ahụghị anya. Onye nne ya dị ime, ya mụọ mkpume. Aka anyị jiri jide nwa ọkụkọ bụ arụ, anyị ahapụkwala ya. Okwu anyị kwuru bụrụ iche, ya gaa danye n'ajọ ọhịa. Jawararam! Jawararam! Ụkpaabị agbaala, nga ọ gụrụ mkpụrụ nke ọbụla, ya tinye isi. (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ nke itoolu).*

Ụmụ agbara atọ a gosịrị na mmadụ kwesịrị iche echiche nke ọma tupu o nwewe mkpebi na ụwa siiri ya ike maka na kama iriju afọ dachie ụzọ, ọ ka mma ịkwụrụ agụụ ma dị ndụ. Ka ụmụ agbara atọ kwuchara okwu a, Ụkpaabị wee sị:

> *…Chi ofufo na-efotara ibe m mma; mana mụ onwe m, o fogbuola m. O fogọọla m ihu; o fopịala m afọ, o foliwala m otule, o fojasịala m. Bịanụ lee m; leenụ akwara dịcha m n'ahụ ka ha dịcha ka ụdọ mmọnwụ ịga. Anya m wee dalachaa n'ime ka nke nwa enwe afọ sabọrọ chi. Leenụ ka afọ m siri dọlichaa, takpachaa, mee udebere ka nke nwa kwashịọọkọ. Chei, mmiri amaa ehi n'anya! Ọ bụzikwa mụ bụ Ideejuogwugwu, gaa gaa n'ogwu, ka ihe ụwa jidere na-ahọpịa otu a ka anụ udele rifọrọ. Ọ bụ chi na ụwa m ka m na-akwa, ụwa m ebiela m aka ọjọọ. (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ nke iri).*

Akwa arịrị a Ụkpaabị na-ebe n'ebe a gosịrị na o nweghị ihe ọzọ o ji nwee nchekwube na olileanya ka dị kama o kpebiela na ụwa ahapụla ya. Nke a gosịrị na o nweghị ihe ọzọ ọ pụrụ ime ma ọ bụghị ichewe ụzọ mgbapụ nke ga-enye mmadụ inwe oke ọchịchọ ohere. Ka Ụkpaabị kpụ okwu a n'ọnụ, enyi ya nwoke bụ Akụebuo batara n'ulọ ya hụ ka Ụkpaabị na-eleghari ahụ ya anya, na-asị na ihe ụwa jidere ya na-ahọpịa ka anụ udele rifọrọ. Akụebuo kwuru na ihe ya na-achọn'uko elu ka ya hụrụ n'uko ala. Na-egbughị oge ọbụla, Akụebuo mere ka Ụkpaabị mata na naanị

ihe ga-azọpụta ya bụ ịbanye n'otu nzuzo ha. Ọ bụrụ na o mee nke ahụ, ọ ga-enwe akụnaụba n'ebe o buru ibu. Nke a gosịrị na inwe ajọ enyi na-ebute mmadụ inwe oke ọchịchọ. Akụebuo mepere ọnụ ngwangwa wee sị Ụkpaabị:

> *Ụkpaabị, ọ tụọla ya! ọ tụọla ya! Ma gị chetakwa na ihe kpatara na anwụ nta ekweghị ntị zu ike bụ na ntị ekweghị ihe anwụ nta kwuru. Ọ dị ugboro ole m gwarala gị ka i si n'ụbịam pụta na ụbịam abụghị nwanne mmadụ. I chetara ugboro ole m gwara gị ihe ị ga-eme ka i wee si n'ụbịam pụta? Ma ị nọrọ na-akpọ ekwo nkụ na-eche mgbe Chineke ga-esite n'elu igwe tụdatara gị akụ nke ụwa. Nọrọnụ nge ahụ; onye chụpụrụ onwe ya n'ụgbọ sịrị na ụgbọ eruteghị ya. Lezuo m anya ahụ, ọ bụ na mụ azọtabeghị onwe m? M chetara gị na ị ga-abata n'otu Oduma ka ihe ị na-achọ were dị ire? Ka ọ bụ m chetara gị na ọ bụ naanị ịba n'otu Oduma bụ nzọpụta dịịrị onye ụwa gbara gharịị na onye chọrọ akụnaụba? Ka ọ bụ na ọ bụghị ihe ndị a bụ ọrịa jidere gị na-adọgbu ugbu a? (emume nke mbụ) (ibe akwụkwọ iri na abụọ)*

Ụkpaabị mechara kweta ịba n'otu nzuzo ahụ wee sị 'Ebe ọ bụ na agaghị eji mgbagbu wee ghara ọgụ, ekwetala m ịba otu Oduma, ka m tọpee ya bụ akpa ọkịrịka, ihe m tọtara ka m wetere.' (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ nke iri na anọ). Ozugbo Ụkpaabị kwuchara okwu a, obi tọrọ enyi ya nwoke Akụebuo ụtọ nke ukwuu, o wee sị Ụkpaabị:

> *Ugbu a ka ị kpara agwa ka nwoke. Ị ga-amazi ma m na-eduzi gị eduzi ka m na-eduhie gi eduhie. Ọ bụrụ na oge ruwe, aga m emetụrụ gị ma echeghị m na ọ ga-erucha otu ọnwa bido taa, mgbe anyị ji enwe nzukọ malite afọ a; a na-ejikwa anabata ndị ọhụụ. Aga m agwa gị ma o ruo. Otu ihe fọdụrụ bụ na o kwesịrị ka o biri gị ebiri na ntị na ihe niile anyị kpata ebe a ugbu a na ị gaghị akọtara ya nwoke nke ị na-akọtara ya nwaanyị. Ị matara na otu Oduma bụ otu nzuzo. Ọ bụ nzuzo a ka Oduma jiri kwụrụ. Ọ bụ na nzuzo a ka ire ya niile dị. Ọ bụ ka onye siri zọta ka ihe ọma si abịara ya. (emume nke mbụ) (ibe akwụkwọ iri na anọ)*

**Ịzọ ọkwa ọchịchị maọbụ ịbụ eze ga-achị obodo**

N'akwụkwọ *Ụkpana Ntị Ike*, odee gbadoro ụkwụ n'akparamaagwa dị iche iche Ọnaa kpara, zipụta oke ọchịchọ na ndụ ndị Igbo. Ka omenaala obodo Ndele si dị, ka eze Ọjọbọ bụ nna Ugwuanyị nwụrụ, obodo họpụtara nwanne ya bụ Ọnaa ka o jidere Ugwuanyị oche eze nna ya na-achị ọchịchị rue mgbe Ugwuanyị tolitere; o nyeghachi ya oche eze nna ya. Nke a pụtara ihe ebe a:

> *Ọ bụ Ugwuanyị nwa eze anyị bụ onye mbụ wetara nwaọbara ọhịa nke o ji ọnya ya wee gbuo. Ka ọ gachara abalị abụọ nke a mechara, Ọnaa buuru agụ o ji egbe gbuo bata. Ebe nna Ugwuanyị chịrịla nke ọma, ekwere m na Ugwuanyị ga-achịnwu, ma ihe mere bụ na ọ ka bụ nwata. Ọ dịghị ihe ọ pụrụ ime. N'ihi nke a, ala be anyị enyerela anyị aka. Ebe o bụ na onye mbụ bụ Ugwuanyị, ọ ga-abụ eze ma ugbu a, onye ga-ejidere ya ọkwa ya ahụ wee ruo mgbe o tolitere bụ Ọnaa. (emume nke mbụ) (ibe akwụkwọ nke itoolu).*

Ọnaa kwetara ihe obodo kwuru n'ihu ha mechaa kpaa nkata bo ya ebubo nke o sitere na ya gbuo Ugwuanyị n'ihi oke ọchịchọ ịnapụ Ugwuanyị ọkwa eze ahụ bụru eze. Ọnaa wee sị:

> *I maara na oche eze adịghị oke elu ma nsopụrụ kwụ ya n'azụ. Ihe mere ka m gbuo agụ chọrọ ka m bụrụ eze. Onye ọbụla kwụchiri m ụzọ n'ịbụ eze bụ onye iro m. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri abụọ na otu).*

Site n'akparamagwa Ọnaa kpara, a ga-ahụta ya dị ka onye oke ọchịchọ. O gosịkwara oke ọchịchọ n'ihi na ọ chọghị ime ihe ndị Ichie kwekọrịtara ka o mee mere ha ji nye ya ohere ịchị ọchịchị. Nke a mere o ji gbue nwa nwanne ya bụ Ugwuanyị ka ọ ghara inye ya ọkwa ọchịchị nna ya mgbe o tolitere. N'iji atụtụ nghọta ọgụụ nke na-ekwu na agụmagụ abụghị ihe osise, kama ihe a ga-agụ wepụta echiche dị na ya dị ka izipụta onye dị elu, onye adịghị ike na onye ọgụụ ga-emere ebere n'ihi ihe e mere ya, Ọnaa gosịkwara onwe ya dị ka onye kacha dị elu n'ebe ndị ọzọ nọ maka na o nweghị onye ọzọ pụrụ ikwu ihe ọ ga-eme ma ọ bụghị naanị ya. N'akụkụ nke ndị adịghị ike, n'ebe a, a hụtara Ugwuanyị dị ka onye adịghị ike n'ihi na ọ bụ onye a na-achị. E zipụtakwara ya dị ka onye odee na-agwa ndị ọgụu ka ha meere ebere n'ihi ihe e mere ya.

**Nsogbu Si n'Inwe Oke Ọchịchọ**

**Igbu Mmadụ Iji Chụọ Aja.**

Ka a nabatachara Ụkpaabị na ndị ọzọ n'otu nzuzo ha bụ 'Oduma', onyeisi otu Oduma ahụ gwara ha ihe ga-eme n'ụzọ ịchụrụ Oduma aja nke ga-eme ka ha nweta akụnaụba. Ozugbo ọ gwasịrị ha ihe ha ga-eme n'ụdị ịchụrụ Oduma aja, ọ gwakwara ha na ọ dịghị ọpụpụ ha ga-esi n'otu ahụ pụọ. O wee sị ha:

> *Ma ọ dị ihe onye ọbụla n'ime unu aghaghị ime n'ụzọ ịchụ aja. Maazị Ibeneme, ị ga-egbu diọkpara gị, bepụta ire ya ma ghụtakwa anya ya abụọ chịtara Oduma. Nke a bụ n'ihi na Oduma maara na ọ bụ diọkpara gị ka ị hụkarịrị n'anya. Maazị Ụkpaabị, ị ga-egbu nwunye gị, beta ire ya ma ghụtakwa mkpụrụ anya ya abụọ chịtara Oduma. Oduma maara na ọ bụ nwunye gị ka ịhụkarịrị n'anya. (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ nke iri abụọ na atọ).*

Site n'okwu onyeisi otu Oduma kwuru, a ga-ahụta na onyeisi otu Oduma nakwa otu Oduma bụ ndị kacha ike. Odee zipụtara onyeisi Oduma ahụ dị ka onye kacha ike n'ihi na o nweghị onye n'ime ndị nọ ya n'okpuru pụrụ ikwughari ihe o kwuru. O nweghịkwa onye pụrụ ime ihe ọzọ na-abụghị ihe ọ chọrọ ka ha mee nakwa mgbe ọ chọrọ ka ha mee ya. O gosịkwara ọchịchị aka ike n'ihi na ndị ọ na-achị chọrọ chọrọ nweta akụnaụba. Nke a mere na ọ chọghị ịgwa ha ihe ga-adịrị ha mfe ime. O gosịkwara onwe ya ka onye kacha dị elu n'ebe ndị ọzọ nọ maka na o nweghị onye ọzọ pụrụ ikwu ihe ga-eme ma ọ bụghị naanị ya. Ụkpaabị na ndị niile a nabatara ọhụụ n'otu Oduma bụ ndị odee na-asị ọgụụ ka e mere ebere n'ihi ihe a gwara ha maka na ọ dịghị mfe ịbanye n'otu ọbụla agaghị apụta n'ime ya tinyere ịgwa ha ka ha chụọ aja maka na ụdị aja a ga-achụ agaghị abụ nke a ga-eji ọkụkọ maọbụ anụ ụlọ ndị ọzọ chụọ.

**Ọnwụ Ike**

Ka onyeisi otu Oduma kwuchara okwu ahụ, mmadụ abụọ a nabatara ọhụụ amaghị mgbe ha jiri sechapụ akwa ojii e kechiri ha n'anya bido kwawa akwa. Oge ahụ ka ha matara kpọmkwem ụdị otu ha batara n'ime ya. Ụkpaabị chere ihe ọ ga-eme n'ime ọnọdụ ahụ ma mechaa kpebie ime ihe onyeisi Oduma ahụ gwara ya ka o mee. Iji hụ na Ụkpaabị mere ihe a gwara ya mee nakwa iji nyere ya aka, enyi ya bụ Akụebuo bụ onye dubara ya n'otu Oduma gwara Ụkpaabị sị:

> *Ihe ndị ahụ erijụghị afọ. Ihe dum ga-ebi n'uhuruchi echi. Aga m esi ebe a gaa gwa ndị ogbuu abụọ mụ ha maara ka ha magide gị n'ụzọ ụtụtụ echi ka gị na ha kpaa. M ga-akọwara ha nke ọma ihe a chọrọ ka ha mee. Ihe gị na ha ga-akpazi bụ ego ole a ga-akwụ ha, na oge na ebe ị ga-edupụtara ha nwaanyị ahụ. Ego ole unu kwutere, aga m enye gị ya ka ị kwụọ ha. Kama gawa n'ihi na e mee ngwa ngwa emeghara ọdachi. (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ nke iri abụọ na isii).*

Ụkpaabị mechara ya ndị ogbuu ahụ kpaa ka ha ga-esi jide nwunye ya gbuo ma were akụkụ ahụ ndị ọ ga-ewegara ndị otu Oduma dị ka onyeisi ha si nye ya ntuziaka. Ụkpaabị achọghị ka ha kọọrọ ya akụkọ na ha enwetaghị ihe ya chọrọ. Ọ sị ha:

> *Nke a erijụghị afọ. Ọ dị nwanne m nwoke bi n'Amanda ma a gafee agụ abọsịteghete. Aga m ezi ya ozi ọ ga-aga izi nwanne m nwoke ahụ. Ebe ọ bụ na unu ahụla ya, ma matakwa onye ọ bụ, unu ga-echebiri ya n'agụ Abọsịteghete, o rute ebe ahụ, unu atọrọ ya kpuchie ya ọnụ, kpụrụ ya baa n'ime ọhịa wee medosịa ihe; naanị ihe unu ji m ụgwọ ya bụ ire ya na mkpụrụ anya ya abụọ. (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ iri atọ na asatọ).*

Ụkpaabị na ndị ogbuu ahụ gbachara izu ka ha ga-esi wee rụọ ọrụ ha wee gazie zoo n'ebe ha ga-anọ tọrọ nwunye Ụkpaabị, Ụkpaabị zipụ nwunye ya bụ Ugodiya ka ọ gaa na nke nwanne ya nwoke ma a gafee agụ Abọsịteghete dị ka o si kwuo, ndị ogbuu ahụ jidere Ugodiya ka ọ na-aga ebe ahụ wee sị ya: "Onye na-aga ihe a, kwụrụ! onye ka ị bụ? Ebee ka ị na-aga?" Ozugbo ha kwusịrị okwu a, nnukwu ụjọ bịara Ugodiya n'ahụ nke mere ka o bido mawa jijiji. Ugodiya kpebiri n'ime obi ya ịrịọwa ha arịrịọ ka ọ mara ma o nwere ka ha ga-esi gbawee obi ha n'ihi afọ ime ya. Ọ rịọrọ ha sị, "biko unu egbula m, werenụ maka nwa m bu n'afọ mere m ebere. Nwa m bu n'afọ, nwa mụ o, nwa mụ o." (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ iri atọ na itoolu).

Ozugbo Ugodiya kwuchara okwu arịrịọ ndị a na-emetụ na mkpụrụobi, okwu ahụ bara ndị ogbuu ahụ n'ahụ nke ukwuu ma mee ka ha nwee obi ebere n'ebe Ugodiya nọ n'ihi nwa ahụ Ugodiya bu n'afọ. Ndị ogbuu ahụ mechara kpebie na ha agaghị egbu Ugodiya dị ka Ụkpaabị si wee chọọ n'ihi nwa ahụ Ugodiya bu n'afọ, ha tụgharịrị ebe Ugodiya nọ wee sị ya: 'Ugodiya, anyị ekpebiela ka anyị hapụ igbu gị, were ọsọ gbaga n'obodo a na-akpọ Kakanda biri ebe ahụ; ka a ghara ịhụ ụkwụ ya ọzọ n'obodo ya. Ndị ogbuu ahụ lepụrụ anya hụ otu agadi nwaanyị nọ n'akụkụ na-akpa ejula, ha gbagara ebe ahụ ozigbo gaa bagide nwaanyị ahụ na-akpa ejula ebe ọ kwụ na-enyo ha, tọgide ya aka n'akpịrị o wee daa nwụọ, ha wee bere ya ire, ghụkọrọ ya anya abụọ.' (emume nke mbụ), (ibe akwụkwọ iri anọ).

Nsogbu oke ọchịchọ Ụkpaabi buteere nwaanyị na-akpa ejula iji chọọ akụnaụba n'ike na-agbaghị ezi mbọ mechara butere ya ọnwụ erughị eru. A hụtara nke a n'okwu otu onye bu ozu Ụkpaabị gwara nwa Ụkpaabị bụ Ekeọdụ sị 'Ekeọdụ, gịnị ka ị nọ ebe ahụ eme, bịa na ọ bụ gị ka a na-ebulara ozu a.' Ekeọdụ jụrụ ozu onye ọ bụ mana a zara ya sị ya na ọ bụ ozu nna ya Ụkpaabị. A zara Ekeọdụ sị 'A sịrị na ọ bụ ndị otu nzuzo sitere Amaebunu zutere ya n'ụzọ wee kụgbuo ya, wekọrọ ihe ụfọdụ n'ahụ ya wee gbalaga'. Ha buturu igbe ozu ahụ mepee ya, Ekeọdụ, Akachukwu na Ugodiya bụ ụmu ya na nwunye ya nyonye anya ma bewe akwa'. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri asatọ na abụọ).

Ọnaa na Agụnanwaedu bụ dibịa, gbara izu gbuo Ugwuanyị ma bo ya ebubo sị ọhaobodo:

> *Onye na nke ya, onye na nke ya. Nke onye dịrị ya. Nke onye na-eri ya rie. Ndị ọzọ chịrịnụ iteghete, ndị mgbirichi chịrị asatọ, ụmụokoroọbịa chịrị asaa, ndị inyom chịrị iri n'ihi na Eze Abụmenyi nyere unu ya. Ndị be anyị, ọ bụ onye etosịghị ịnwụ ọnwụ, onye etosịghị ibe akwa ebewe. Ala nwata gbara Udele akụ, a na-ajụ ma okenye ọnọkwa ya. Ndị nwe m, ọ na-abụ mmiri*

*ju nwa awọ ọnụ, ọ sua ude. Ọ bụ na mgbede ụnyaahụ ka ntị m nụrụ ihe ọchọghị ịnụ. Ama m na ọtụtụ n'ime unu anụbeghị ihe merenụ. Ihe m ga-eji wee gwa un una-atụfughị oge bụ na, anaghị ezo nwamkpi na nne ya anwụọla n'ihi na ọ dịghị onye ga-enye ya ara mgbe ara gụwara ya. Kedunụ ụdị ndụ anyị na-ebizi ugbu a? Ụmụaka ugbu a agaghị ekwe anyị ṅụọ mmiri kowe ọba. Ma onye taa m arụ n'isi ghara ịsọ utoro, mụ ataa ya arụ n'otule ghara ịsọ nsị. Onye mere ihe ala na-asọ nsọ etosịghị ka e mere ya ebere. Dịka m si kwuo na mbụ, ọ bụ Ugwuanyị, nwa Eze Ọjọbọ ka m nwudere n'ohi ọjị na mgbede ụnyaahụ, ụkwa wee tụgbuo ya n'ihi na ohi ọjị bụ ihe ala na-asọ nsọ. Anyị maara na ala agaghị ara ozu nwa ọjọọ a bu ụzọ puo eze elu. Elu agaghị anara ya. Nke a pụtara na agaghị eli ya eli, agaghị ekpuchi ya n'ala, agaghị enwe ili ozu, agaghị akwanyere ugwu a na-akwanyere ozu, mmadụ agaghị ebere ya akwa, mmadụ agaghị agbara ya egbe. Agaghịm eji makai here enyi loo ụkwara. Ya ka m ji sị ka m kwupụtachaa hoo haa ihe ndị a otu ọdịnaala si dị. Nnụnụ fee ajọ ufe, a gbaara ya ajọ akụ. A ga-ahapụ ozu ya ka Udele, Nkịta na Edi na anụ ndị ọzọ na-eri anụ were ya mee nri. Onye ọbụla hụrụ na a kwanyeere nwata a ugwu maọbụ na e beere ya akwa abụrụla onye nwụrụ anwụ. Ọtụtụ okwu adịghị ya. Onye ahụ anwụọla pịị. Akpụghị m mmiri n'ọnụ wee na-ekwu ihe a, Ụkpana Okpoko buuru, ntị chiri ya. Iji hụ na emezuchara ihe ndị a niile, o nwere ụmụokoroọbịa e nyere ọrụ iche ozu ahụ nche n'ebe ahụ ọ tọgbọrọ ehihie na abalị. O nwekwara ndị ga na-agagharị ka ha nụchata ihe ndị mmadụ na-ekwu. Ana m arịọonye elu na onye ala ka o nye aka hụ na ihe ndị a gara nke ọma. Ekelee m unu. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri atọ na asatọ)*

N'akwụkwọ *Ụkpana Ntị Ike***,** ka Ọnaa gbusịrị Ugwuanyị na nwanne ya nwaanyị bụ Ụkamaka n'ihi oke ọchịchọ, ọ natara ụgwọ ọrụ ya site n'itufu nwa ya nwoke bụ Obinnaya na nwunye Ọnaa n'ihi ọnwụ ike o buteere ndị ọ na-achị. Nke a pụtara ihe ebe a, 'Obinnaya anwụọla. Ọ bụ ya gburu onwe ya. Ọ bụ omume nna ya kpatara ya, nne Obinnaya bụzi ozu ugbu a.' (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri itoolu na otu). Ka ụwa gbara Ọnaa gharịị, ọ jụwara ihe mere nwunye ya, a sị ya, 'Adaọra, nwunye gị ozugbo ọ matara maka ọnwụ Obinnaya, ọ bara na be ya were nsi rie, nsi ahụ dọpụtara ya ire.' Ka Ọnaa nụrụ nke a, o tie sị:

*Chi m, ọ bụ ihe a ka i mere m? Mee m ọ dị ndụ ọnwụ ka mma. Nne na nwa n'otu ụbọchị. Anwụọla m! nyenụ m mma ka m jedewe ndụ m, o nweghị ihe nwekwara isi n'ụwa a, nwa ọkpara m agawala, nwunye esorola ya gawa, ọ bụ gịnị ka m dịzi ndụ eme? Biko nụ, onye na-eme ya mara onwe ya, apụọla m. Mmadụ agaghị ahụkwa m anya ọzọ bido taa gawa. Agaghị m ekwe ka e jiri mee ihe ịkpa ọchị n'ụwa a. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri itoolu na otu).*

Ụkamaka bụ nwanne Ugwuanyị mechara lie Ugwuanyị na-agbanyeghị na Ọnaa nyere iwu ka onye ọbụla ghara ili ya. Nke mere ka Ọnaa nye iwu ka e gbue ya. Ọ sịrị Ụkamaka:

*Ị gaghị anọ ndụ tụọ ọnụ ihe a. Ihe i mere dị abụọ; nke mbụ, i mebiri iwu m tiri. Nke abụọ, ị rụrụ ala site n'ili ozu nwoke, ị maara na nwaanyị adịghị eli ozu, kpọrọnụ ya ga gbuo. Unu ga-eduru onye nke mere arụ gaa gosi ya ụzọ be mmụọ. I ji wee gbanahụ ihe ọjọọ, agaghị egbu ya egbu, unu ga-eduga ya n'ọgba dị n'agụ be anyị ha, kpọchie ya ebe ahụ, unu mee otu ahụ, ihe ọ hụziri ebe ahụ bụ ihe chi ya chọrọ ka ọ hụ na ya. (emume nke ise) (ibe akwụkwọ iri isii).*

Ọnaa anaghị achọ ndụmọdụ onye ọzọ ma ọ bụghị ime ihe o kpebiri n'ime obi ya. Nke a mere o ji gbuo nwanne Ugwuanyị bụ Ụkamaka n'ihi na o liri nwanne ya kama Udele ga-eri ozu ya dị ka Ọnaa si chọọ. Oke ọchịchọ na-eme ka mmadụ wepụ ndụ mmadụ ibe ya. Nke a mere o ji bụrụ ihe kwesịrị ka mmadụ ghara itinye aka na ya.

**Ịkwa Mmakwaara**

Ozugbo onye isi otu Oduma gwachara Ụkpaabị na ọ ga-egbu nwunye ya n'afọ ime, o wee sị:

*Akụebuo, Akụebuo, ị rapụtala m. Nwunye m Ugodiya bịa lee m. Ugodiya na afọ ime, ọ bụ ka e mee ya aṅaa? Agaa m ịnyụ anyụ zọrọ azọrọ! chi me e! ụwa bịa lee mụ oo!' Ụkpaabị agaa ịnyụ anyụ zọrọ azọrọ, ị hụkwara mgbe mụ na ihe ụwa jiri mewe m wee gbaligide wee lụta nwaanyị; nwaanyị dịịrị m ime ugbu a,mụ na-amaghị ihe ọ ga-amụ. E wee… Akụebuo ị rapụta m. Obi m gbaara m ama gboo gboo na enyemaka gị a abụghị uru; na ịba otu nzuzo abụghị egwu a chị ụtaba n'aka wee na-agba. Bịa lee ọnọdụ ị kwabara m na ya ugbu a. Bịa lee… (emume nke mbụ) (ibe akwụkwọ iri abụọ na atọ).*

**Ihe Agaghị n'Ihu**

Ihe agaghịrị Ụkpaabị nke ọma n'ajọ ihe niile o mere n'ihi oke ọchịchọ. Ọnwụ agadi nwaanyị na-akpa ejula nwụrụ, tinyere mmasị inweta akụnaụba n'ụzọ ọbụla Ụkpaabị nwere amịtaghị ezi mkpụrụ ọbụla na ndụ Ụkpaabị. Nke mere o ji kwuo sị:

*…Taa ka o mere afọ iri na ise anyị jiri chọwa ya. Taa ka o mere afọ iri anyị jiri weekwachaa ya. Taa ka o mere afọ itoolu m jiri lụta nwaanyị ọzọ. Taa ka o mere afọ iri na otu izuụka daa m jiri banye n'otu Oduma. Kemgbe ahụ, e kute dibịa, mmiri fịị, ọ bụghịkwanụ ihe a tụrụ n'ahịa ka a zụtara. Ọ bụghị ego m chọgara ka m hụrụ ma gaa gbufuo nwunye m, m hụrụ n'anya n'afọ*

> *ime, arịrị eriela m. E wezuga nwa ego m siri n'okpofufu m nweta wee lụta nwaanyị ọzọ, ọ dịghị ihe ndị ọgbọ m na-eme m nwere ike mepụta. Ọ dịghị uru ọbụla ọbụba m bara otu Oduma baara m kama o mere ka ọnodụ m dị njọ karịa ka ọ dị na mbụ. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri anọ na otu)*

**Inwe Esemokwu**

Oke ọchịchọ butere esemokwu n'etiti Ụkpaabị na enyi ya nwoke Akụebuo n'ihi ego mbinye o binyere Ụkpaabị ka ọ kwụọ ndị ogbuu abụọ ahụ. Akụebuo wee sị '…Ọ bụ ihe gbasara nnụ ego anọ ahụ m binyere gị ihe dịka afọ iri na ụma taa. Biko, ọ ga-asọ m ma ị kwụghachi m ya bụ ego e jiri kwụ ndị…' Iwe were Ụkpaabị nke ukwuu, o wee sị Akụebuo:

> *Okwu ahụ tọkwa gị n'ọnụ, asịrị m, Amadịọha pịafụkwa gị isi, ego e jiri kwụ ndị gburu nne gị, kwukwaa ya ọzọ ka ikuku buru gị, ị maghị na ọ bụ gị nyụrụ ihe na-esigbu m ugbu a, na ọ bụ gị dowere m ihu na ọnụ otu a; na ọ bụ gị kwanyere m n'ụmị mmụọ a m dabara na ya. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri anọ na ise)*

**Ihe Mmụta Si n'Akwụkwọ A**

**Ihe Ndi A Chọpụtara**

Site n'ihe mere n'akwụkwọ *Ọkụ Ghara Ite* na *Ụkpana Ntị Ike*, a chọpụtara ihe ndi a:

**A.** Oke ọchịchọ na-ebutere mmadụ ịkwa mmakwaara n'ikpeazụ maka na ihe a ga-asị onye oke ọchịchọ ka o mee anaghị abụ ihe dị mma mmadụ ime. A hụtara nke a site na nkebite ederede a:

> Ozugbo onye isi otu Oduma gwachara Ụkpaabị na ọ ga-egbu nwunye ya n'afọ ime, o wee sị:
> *Akụebuo, Akụebuo, ị rapụtala m. Nwunye m Ugodiya bịa lee m. Ugodiya na afọ ime, ọ bụ ka e mee ya aṅaa? Agaa m ịnyụ anyụ zọrọ azọrọ! chi me e! ụwa bịa lee mụ oo!' Ụkpaabị agaa ịnyụ anyụ zọrọ azọrọ, ị hụkwara mgbe mụ na ihe ụwa jiri mewe m wee gbaligide wee lụta nwaanyị; nwaanyị dịịrị m ime ugbu a,mụ na-amaghị ihe ọ ga-amụ. E wee… Akụebuo ị rapụta m. Obi m gbaara m ama gboo gboo na enyemaka gị a abụghị uru; na ịba otu nzuzo abụghị egwu a chị ụtaba n'aka wee na-agba. Bịa lee ọnọdụ ị kwabara m na ya ugbu a. Bịa lee… (emume nke mbụ) (ibe akwụkwọ iri abụọ na atọ).*

**B.** Ihe anaghị agara onye na-enwe oke ọchịchọ nke ọma. Ihe niile Ụkpaabị chere na ọ ga-agara ya nke ọma na-agbanyeghị na ndị ogbuu ahụ gburu agadi nwaanyị na-akpa ejula, tinyere akụnaụba ahụ ọ chọrọ inweta n'ụzọ ọbụla, o nweghị ihe gaara ya nke ọma. Nke mere o ji kwuo sị:

> *…Taa ka o mere afọ iri na ise anyị jiri chọwa ya. Taa ka o mere afọ iri anyị jiri weekwachaa ya. Taa ka o mere afọ itoolu m jiri lụta nwaanyị ọzọ. Taa ka o mere afọ iri na otu izuụka daa m jiri banye n'otu Oduma. Kemgbe ahụ, e kute dibịa, mmiri fịị, ọ bụghịkwanụ ihe a tụrụ n'ahịa ka a zụtara. Ọ bụghị ego m chọgara ka m hụrụ ma gaa gbufuo nwunye m, m hụrụ n'anya n'afọ ime, arịrị eriela m. E wezuga nwa ego m siri n'okpofufu m nweta wee lụta nwaanyị ọzọ, ọ dịghị ihe ndị ọgbọ m na-eme m nwere ike mepụta. Ọ dịghị uru ọbụla ọbụba m bara otu Oduma baara m kama o mere ka ọnodụ m dị njọ karịa ka ọ dị na mbụ. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri anọ na otu)*

**C.** Inwe oke ọchịchọ na-ebute esemokwu n'etiti ndị mmadụ kwesịrị ịdị n'udo. Oke ọchịchọ butere esemokwu n'etiti Ụkpaabị na enyi ya nwoke Akụebuo n'ihi ego mbinye o binyere Ụkpaabị ka ọ kwụọ ndị ogbuu abụọ ahụ. Akụebuo wee sị '…Ọ bụ ihe gbasara nnụ ego anọ ahụ m binyere gị ihe dịka afọ iri na ụma taa. Biko, ọ ga-asọ m ma ị kwụghachi m ya bụ ego e jiri kwụ ndị…' Iwe were Ụkpaabị nke ukwuu, o wee sị Akụebuo:

> *Okwu ahụ tọkwa gị n'ọnụ, asịrị m, Amadịọha pịafụkwa gị isi, ego e jiri kwụ ndị gburu nne gị, kwukwaa ya ọzọ ka ikuku buru gị, ị maghị na ọ bụ gị nyụrụ ihe na-esigbu m ugbu a, na ọ bụ gị dowere m ihu na ọnụ otu a; na ọ bụ gị kwanyere m n'ụmị mmụọ a m dabara na ya. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri anọ na ise)*

**D.** Inwe oke ọchịchọ na-ebutekwa ọnwụ erughị eru. Oke ọchịchọ Ụkpaabi buteere ya na nwaanyị na-akpa ejula ọnwụ erughị eru. A hụtara nke a n'okwu otu onye bu ozu Ụkpaabị gwara nwa Ụkpaabị bụ Ekeọdụ sị 'Ekeọdụ, gịnị ka ị nọ ebe ahụ eme, bịa na ọ bụ gị ka a na-ebulara ozu a.' Ekeọdụ jụrụ ozu onye ọ bụ mana a zara ya sị ya na ọ bụ ozu nna ya Ụkpaabị. A zara Ekeọdụ sị 'A sịrị na ọ bụ ndị otu nzuzo sitere Amaebunu zutere ya n'ụzọ wee kụgbuo ya, wekọrọ ihe ụfọdụ n'ahụ ya wee gbalaga'. Ha buturu igbe ozu ahụ mepee ya, Ekeọdụ, Akachukwu na Ugodiya bụ ụmu ya na nwunye ya nyonye anya ma bewe akwa'. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri asatọ na abụọ).

N'akwụkwọ *Ụkpana Ntị Ike*, oke ọchịchọ butekwara ọtụtụ ọnwụ erughị eru. Ka Ọnaa gbuchara Ugwuanyị na nwanne ya nwaanyị bụ Ụkamaka n'ihi oke ọchịchọ, ọ natara ụgwọ ọrụ ya site n'itufu nwa ya nwoke bụ Obinnaya na nwunye Ọnaa n'ihi ọnwụ ike o buteere ndị ọ na-achị. Nke a pụtara ihe ebe a, 'Obinnaya anwụọla. Ọ bụ ya gburu onwe ya. Ọ bụ omume nna ya kpatara ya, nne Obinnaya bụzi ozu ugbu a.' (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri itoolu na otu). Ka ụwa gbara Ọnaa gharịị, ọ jụwara ihe mere nwunye ya, a sị ya, 'Adaọra, nwunye gị ozugbo ọ matara maka ọnwụ Obinnaya, ọ bara na be ya were nsi rie, nsi ahụ dọpụtara ya ire.' Ka Ọnaa nụrụ nke a, o tie sị:

*Chi m, ọ bụ ihe a ka i mere m? Mee m ọ dị ndụ ọnwụ ka mma. Nne na nwa n'otu ụbọchị. Anwụọla m! nyenụ m mma ka m jedewe ndụ m, o nweghị ihe nwekwara isi n'ụwa a, nwa ọkpara m agawala, nwunye esorola ya gawa, ọ bụ gịnị ka m dịzi ndụ eme? Biko nụ, onye na-eme ya mara onwe ya, apụọla m. Mmadụ agaghị ahụkwa m anya ọzọ bido taa gawa. Agaghị m ekwe ka e jiri mee ihe ịkpa ọchị n'ụwa a. (emume nke abụọ) (ibe akwụkwọ iri itoolu na otu).*

**Nchịkọta**

1. Nchọpụta a na-adọ mmadụ aka na ntị na inwe oke ọchịchọ bụ aka enwe kwesịrị ka e wepụ ya n'ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ.
2. Ihe ndi a, na-akụziri mmadụ ihe, ma na-atụzikwara mmadụ aka. Ọtụtụ akwụkwọ ederede Igbo nwere ihe ọ na-arụtụgasịrị anyị aka na ndụ a. Ihe ndi ahụ, a na-esite n'akwụkwọ agụmagụ ederede na-arụtụgasị aka na-enyere mmadụ aka, igosị ya ụzọ ka mma e si ebi ndụ. Site na nke a, ederede a ga-abara ndi mmadụ uru n'ebe ọ dị ukwuu. Ọ ga-enye aka n'ịkọwara ndi mmadụ ọghọm na-eso oke ọchịchọ.
3. Ọ ga-emekwa ka ndi mmadụ bido nwewe mmasị n'ịgụ akwụkwọ agụmagụ ederede Igbo ndi ọzọgasị, iji wee na-enweta amamihe dị n'ime ha. Ọ ga-emekwa ka mmadụ jiri inwe afọ ojuju n'ihe o nwere, dịka ụzọ ka mma ịgbaso na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

**Mmechi Na Alo**

Site n'ihe ndi a, ederede a na-atụpụta alo ka ndị mmadụ mata na onye ọbụla na-enwe oke ọchịchọ maọbụ na-esite n'inwe oke ọchịchọ gbuo mmadụ ibe ya na-akpọku iwe Eke kere ụwa ka ọ dakwasị ya. Nke a ga-eme ka e nwee ezi nchekwa n'obodo. O kwesịghị ekwesị ka mmadụ na-etinye aka n'ihe ọbụla ga-ebute ịkwafu ọbara onye ọzọ maọbụ nke ya n'ụdị ọbụla; n'ihi na a na-esite na nke a laa ọtụtụ ihe n'iyi; ebe a na-enwekwa ọtụtụ ihe ndaghachi azụ. Ka mmadụ laghachi azụ n'ilu ndị Igbo na-atụ ilu sị na onye ndidi na-eri azu ukpoo. Onye ọbụla na-edunye mmadụ maọbụ na-akwado mmadụ ka o gbuo mmadụ ibe ya n'ụdị ọbụla maọbụkwanụ onye chọrọ igbu onwe ya n'ihi ụkọ maọbụ ihe ọbụla, kwesịrị ịgụ nchọcha a ka o nwee ntụgharị uche. Ọzọ dị ka ibe ya bụ ka ndị niile bụ ụmụ amaala Igbo ghara ikpọ nwanne ha asị nke ga-eme ka inwe anyaụfụ n'ihe onye ọzọ nwere laa. Ọ ga-adịkwa mma ka onye ọbụla bụ nwafọ Igbo tinye onwe ya n'ịrụ ọrụ ga-enye ya ego n'ụzọ kwụ ọtọ karie ịgbaso ụzọ izu ohi, ịba otu nzuzo, ịtọ mmadụ nke a ga-esite na ya gbuo mmadụ dịka ụzọ ịkpata ego. Ọ bụkwa ihe dị mkpa ka onye ọbụla nwee ndidi n'ọnọdụ ọbụla karịa inwe oke ọchịchọ maka na onye dị ndụ nwere olileanya, e mesịa o rie azụ ukpoo.

**Edensibịa**

Akporobaro, F. B. O. (2012), *Introduction to Fiction*. Lagos: Princeton Publishers.
Alagoa, E.J. (2001). "Conflict Resolution: The Nigeria Perspective", KAIBARA: *Journal of Humanities*, vol 7, No.1, 2001 (pp8).
Anaekeokwu, U. R. (1998), *A New Approach to Literary Appreciation*. Enugu: Format Publishers.
Duru, T. (2014), *Standard Literature-in-English*. Owerri: Standard Publishers.
Nwadike, I.U. (1990). *Ntọala Agụmagụ*, Nigeria: Ifunanya Publishers.
Nwokoye, N. (2019), *Abụ Ikpe: Ngwaọrụ Na-Agbazi Usoro Obibi Ndụ*. Onitsha: Noben Press.
Obichukwu, O. (2009), *Elements of Literature*. Lagos: Treasure Publishers.
Obodo, N.B. (2012), *Ụkpana Ntị Ike*. Awka: Format Publishers.
Ogene, M. (2009), *Literary Appreciation: Theory and Practice, with Creative Writing and Textual Criticism*. Awka: Nolix Educational Publishers.
Okeke, C.J. (2015), *Nsogbu, Mmegbu na Nghọtahie dị n'Alụmalụ na Nwata Rie Awọ*. B.A. Project, Nnamdi Azikiwe University, Awka.
Okoh, N. (2008), *Preface to Oral Literature*. Onitsha: African First Publishers.
Onyekaọnwụ, G.O. (1988), *Ọkụ Ghara Ite*. Enugu: InselbergPublishers.
Oruchalu, S. U. (1999), *Fundamentals of Igbo Spelling*. Lagos: Festa Printing Press.